# IJI OBI CHỤỌÀJÀ NKE HANA

**(Iheọ̀mụ̀mụ̀ Nke Ụbọchị Ndị Nne)**
**I Samuel 1:1-28**
**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 71 - Nke Ndị okenye**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Sọpuru nna-gi na nne-gi; (nke bu ihe mbu enyere n'iwu nke nkwà diri ya), ka ihe we nāgara gi nke-ọma, ka i we di kwa ogologo ndu n'elu uwa" (Ndi Efesọs 6:2, 3).**

**I Nne Nke Kwesịrị Ntụkwasị obi N'Israel**

1. Ọ bụ nwunye Elkena. I Samuel 1:1
2. O nweghị ụmụ, I Samuel 1:2
3. Elkena na èzínaụlọ ya ferè Chineke òfùfè dịka iwu Ya si dị, I Samuel 1:3, 4; Deuteronomi 12:5-7
4. Hana natara ọtụtụ mkpagbu, I Samuel 1:5-8; 2 Timọti 3:12; I Pita 2:23; Jemes 5:10, 11

**II Mkwà Ekwere Chineke**

5. Obi ya nwere mwute o wee kpeeekpere nye Chineke, I Samuel 1:9, 10; Abù Ọma 61:1-4; 66:18
6. Ọ chọsịrị Chineke ike n'ihi ọchịchọ nke obi ya, I Samuel 1:11-16; Jenesis 32:24-26; 2 Ihe Emere 15:15; Abù Ọma 38:9
7. Hana natara ihe akaebé na anụwo ekpere ya, I Samuel 1:17, 18; Ndi Hibru 11:4; Ndi Rom 8:16
8. Chineke chetara ya, I Samuel 1:19, 20; Aisaia 59:1; I Pita 3:12; Jọn 9:31; Jenesis 32:28

**III Mkwụghachị Nke Mkwà Ahụ**

9. Obi ya nọgidesịrịike n'ihe ahụ nke o bu n'uche, I Samuel 1:21-28; Jenesis 22:1-8; Ndi Hibru 10:7
10. Àjà nke ijiobichụọàjà ka emezuru, I Samuel 1:24, 25; Levitikọs 27:28; Deuteronomi 23:21; Eklisiastis 5:4
11. Ekpughere ịgbaàmà nke Hana, ewee mata kwa na Chineke ya kwesịrị ntụkwasịobi, I Samuel 1:26, 27; I Ndi Tesalọnaika 5:24; Nkpughe 19:11
12. Ọ rapurụ Samuel ná nchebe nke Onyenweanyị, I Samuel 1:28; Ilu 22:6; Jeremaia 17:7, 8; I Jọn 3:21; Mak 5:22-43; Matiu 15: 22-28

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

**Ákwá Hana Nke Sitere N'obi ya**

"Ya onwe-ya nēkwu okwu n'obi-ya; nání egbugbere-ọnu-ya nēme ukpọṙọ́, ma anugh olu-ya." Hana ebiworị ndụ nke ịsọpụrụ Chineke: ọ gawo kwa n'Ụlọ Chineke ikpe ekpere, o gosiwo kwa iji obichụaàjà nke anaahụ́ anya, ma mezu kwa ihe niile nke iwu ahụ kwuru. Ma n'ụbọchị taa ọ naagami n'ijiobichụọàjà karị ka o meworo n'oge garaaga, ma ọ lụpụtara ọtụtụ ihe.

Ndịnyom n'oge nke ya naabụ ihe ịtaụtà n'ihi enweghị nwa , ma o wutara Hana nke ukwuu mgbe ọ rịọrọ Chineke maka otù nwanwoke. Ná arụghịụkà o kpeworị ekpere a na mbụ, ma dịka oge naaga emezughị ọchịchọ ya, o wee kpee ekpere ya sieike karịa. O kpereekpere ahụ sieike nke mere na ọ dịghị okwu ọ bụla apụrụ iji chịkọta arịrịọ ya -- ọ bụ náání obi ya tikuru Jehova mkpu. O sitere nime onweya kpee ekpere, Chineke wee nụrụ ákwá ya.

Ekpere nke Hana dị omimi: ọ hụrụ ahụhụ, wee nọọ "n'ilú nke mkpuru-obi, …. wee kwasie ákwá ike." Hana wụpụrụ obi ya wee kwe mkwà na ọ bụrụ na Chineke enye ya nwanwoke na ọ ga enyeghachi ya Chineke ụbọchị niile nke ndụ ya. Ya na Chineke gbarandụ n'elu àjà. Chineke matara na ọ gaeme ihe ahụ o kwuru, O wee mezue arịrịọ ya.

**IjiObichụọàjà Ka Ewee Nata Ọ̀zịzá Ekpere**

Anyị onweanyị aghaghị kwa iji obichụọàjà ka anyị wee nweeike ịnata ọ̀zịzá nke ekpere anyị niile. Mgbe anyị bịakutere Chineke náachọ nzọpụta anyị náetimkpu n'óké olu dịka onyenche nke ụlọmkpọrọ ahụ onye hụrụ ọlụebube nke nnapụta nke Pọl na Silas site n'ụlọmkpọrọ : "Gini di nkpà ka m'me ka ewe zọputa m?" O jikere inye ihe niile ka o wee mata Kraist; ya mere anyị naenye ihe niile nke anyị matara inye mgbe anyị naabịakute Ya ná nchègharị.

Ma mgbe azọpụtasịrị anyị ngwangwa anyị naaghọta na ọ dị mkpà iji obichụaàjà gaa n'iru ka ewee nata odudonsọ zuruókè. Pọl gwara Ndi Rom: "Ya mere, umu nnam, ejim obi-ebere nile nke Chineke nārịọ unu, ka unu che aru-unu n'iru Chineke, dika àjà di ndu, di nsọ, nke di Chineke ezi utọ, nke bu ikpe-ekpere unu dika uche si di" (Ndi Rom 12:1). Chineke naakpọ anyị ka anyị jiri obichụọàjà dị omimi nke gaewetara anyị ịdịnsọ nime ndụ anyị; ma mgbe anyị mere ka obi anyị nọọ n'ọnọdụ dị otú ahụ site n'inyebiga onweanyị ókè dịka uche Ya si dị, Ọ naekwe ka ọkụ dakwasị n'àjà ahụ, náemezu ọlụ nke odudonsọ ahụ.

Nke a abụghị nsọtụ nke iji obichụaàjà. Dịka anyị naaga nime ìhè ahụ, akuziri anyị ka anyị gamie n'inye Chineke onweanyị. Ọ naagụsi obi anyi ike ka Onyenkasiobi ahụ náanọnyere anyị mgbe niile bụ̀ Onye ahụ nke náabata mgbe awụrụ anyị mmiri nke Mmụọ Nsọ na ọkụ. Anyị na enye Onyenweanyị ihe niile, ihe kasị mma dịka anyị nwereike; ndị anyị hụrụ n'anya, èzínaụlọ anyị niile, ndụ anyị niile nime ijéozi Ya. Dịka iji obichụọàjà anyị naabàwanye, otú a kwa ka okwukwe anyị naeto; ma mgbe anyị bịaruru n'ebe anyị gaenyechasị ihe niile, okwukwe naejigide mkwà ahụ ebube ahụ ewee náeru n'obi anyị. Chineke naasọpụrụ Okwu Ya wee zipụ Mmụọ Nsọ ahụ ka o wee mejupụta ebe ahụ nke tọgbọrọ n'efu bụ́ nke emeworo ka ọ dị nsọ, mee kwa ka ọ dị ọcha nke anwapụtawokwara.

**Ìhè Ahụ Nke Dị  Nime Nzukọ**

Ma otú ọ dị ọ ka dị kwa mkpà iji obichụaàjà karịa. Ọ dị mkpà ịnye Chineke onweanyị kwa ụbọchị site n'ime ka ọkụ ahụ náere nime obi anyị. Ụwa naeme ngwangwa n'ịgbá ọchịchịrị karị, ma nwa Chineke gaekwe ka mmanụ ahụ náenwusike karịa n'arịa ya ma ọ bụrụ na ọ chọrọ ịbụ onye gaakpọ ndị furuefu iduru ha rue n'ebe ha gaenwere onweha nime Kraist.

Ụfọdụ naasị na ha bụ ndị eziomume, na edowo ha nsọ, ma nye kwa ha ọwụwụmmiri nke Mmụọ Nsọ, wee jikere kwa ha maka Eluigwe. Ma ha adịghị eme dịka agasị na ha ghọtara ọlụ nke náesote onyinye amara ndị ahụ nke dị ebube. "Ọ digh onye ọ bula n'etiti ayi nke di ndu n'ebe ya onwe-ya nọ" (Ndi Rom 14:7). Nzukọ nwere ọlụ nke inwuenwu nime ụwa a nke mmehie kpuchiworo. Ma ndị ahụ nke náarapụ ijiobichụọàjà nke ha, maọbụ náalaghachiàzụ̀ site n'ebe Onyenweanyị nọ, bụ nnọọ ọkụ̀ náahụ́ inyoghoinyogho.

Onye dere Abù Ọma naabụ̀: "Chineke Nke kachasi chi nile, bú JEHOVA, ekwuwo, we kpọ uwa site n'ọwuwa-anyanwu rue n'ọdida-ya. Site na Zaiọn, bú ebe mazuru nma, ka Chineke nwuputaworo ka ìhè" (Abù Ọma 50:1, 2). Zaiọn nke Imemmụọ bụ̀ Nzukọ nke Kraist, Nzukọ nke ndị eburu ụzọ mụpụta gaebu ụzọ náenwu n'otù n'otù inye Nzukọ ahụ otuto, na inwupu baa nime ụwa.

Lee ịgbà ume nke a gaabụ bụ́ izute nwoke maọbụ nwanyị nke ji ndụ ya nyebiga ókè n'ebe Onyenweanyị nọ! Mmụọ nke Chineke nọ nime ndụ ha náenwupụ. Chineke ejiwo ihe ịchọmma nke imemmụọ chọọ ndụ ndị dị otú a mma: "Obi gātọm utọ nke uku nime JEHOVA, mkpụrụ-obim gēteghari egwù ọñu nime Chineke; n'ihi na Ọ chiriwo uwe nzọputa yikwasim, Ọ werewo uwe-nwuda ezi-omume kpuchiem, dika onye nālu nwunye ọhu si ewere ihe ọma ike n'isi ke onwe-ya dika onye-nchu-àjà, na dika nwayi anālu ọhu si ewere ihe-ejiji ya nile chọ onwe-ya nma" (Aisaia 61:10).

**Ịkwụghachị  Mkwà Niile**

Ọtụtụ igwè mmadụ naeji obichụọàjà ma mgbe oge bịara imezu mkwà ha, ha alaghachiàzụ̀. Ma Hana ekwewo Chineke mkwà, ma ọ laghịàzụ̀ ikwụghachị ya. O chéréghị rue mgbe nwa ya tolitere tupu o kuru ya nye Onyenweanyị, ka o wee buru ụzọ nwee obi ụtọ nke nwatakịrị nọ n'ụlọ ya; kama ngwangwa ọ rapụrụ ara o kuru ya nye onyenchụàjà, bụ́ Ilai, wee nye nwa dị óké ọnụahịa ịlụọlụ ahụ dị nsọ. Ọ hụrụ nwa nke mkwà ahụ n'anya, ma ọ hụrụ Chineke n'anya karị, ọ matakwara na Chineke, hụkwara Samuel n'anya.

Chineke naahụ́ obi eji chụọàjà n'anya, ma náachọ kwa ijéozi nke nwere mkpebi; ma Ọ dịghị achọ ihe ọ bụla nke anyị nwere ma o bụrụ na enyechaghị Ya onweanyị kpamkpam. Ọ sịrị na ọ bụ Ya nwe anụ niile nke dị n'elu nnù ugwu abụọ na ọgụ̀ iri, ọ bụrụ na agụụ agụọ Ya na Ọ gaghị agwa anyị. Chineke chọrọ ka anyị nye Ya òfùfè nke gaeme ka anyị dị nrò n'aka Ya nke gaenye kwa Ya oghere ịlụpụta àtụ̀mààtụ̀ Ya nime ndụ anyị. O, ọ bụrụ na anyị pụrụ ikwu dịka Devid, "Ime ihe di Gi utọ atọwom utọ, Chineke; Iwu-Gi, di kwa nime obim"! (Abù Ọma 40:8).

**Iji Obichụọàjà Nke Imemmụọ**

Chineke naakpọ okù banyere ijiobichụọàjà nke imemmụọ nke gaakpọgide anụarụ n'obe nke náagaghị agụ ndụ ya n'ihe dị óké ọnụahịa rue ọnwụ; nke gana arịọ nnọnyere nke Iru Ya kwa ụbọchị na, inwe mmekọ nke Onye kèrè anyị, mgbe niile. Pọl sịrị Ndị Kraist nọ na Kọlọsi: "N'ihi na unu nwuru anwu, ezowo kwa ndu-unu n'ebe Kraist-ayi nọ nime Chineke" (Ndi Kọlọsi 3:3); ma nye Ndi Kọrint ọ sịrị, "N'ihi na arara ayi onwe-ayi, bú ndi di ndu, nye n'aka ọnwu mgbe nile n'ihi Jisus, ka ewe me kwa ka ndu nke Jisus puta ìhè n'anu-aru-ayi nke puru inwu anwu" (2 Ndi Kọrint 4:11). Ịmamma nke ijiobichụọàjà nke imemmụọ bụ̀ ihe náadịghị mfé ịkọwa n'okwuọnụ, ma ọ bụ̀ ihe anaaghọta náechebe kwa ya nkeọma n'ebe ndị ahụ nke náaga n'iru ịchọ Chineke n'ihe Ya niile nke kachasị mma dị.

Iso Kraist hụkọ ahụhụ dị mfé nye ndụ ahụ ejiworo chụọàjà. Dịka ihe anaahụ́anya si dị, ikewapụ Hana site n'ebe nwa mbụ ya nọ gaabụworị ihe gaewetara ya iruuju; ma o nyewo ya Onyenweanyị kpamkpam, ma mezue isi ọchịchọ nke ijiobichụọàjà ya; Chineke wee nye ya ike imezu mkwà ya.

Mgbe Jisọs kpọrọ ụmụ Ya ka ha hụara Ya ahụhụ ntakịrị, mgbe ụfọdụ ha naagbanarị ọnwụnwa ahụ, maọbụ náata Chineke ụta. Ọ pụrụ ịrapụ ule ahụ ka Ọ mata ma ijiobichụọàjà nke emere n'oge nke mkpà bụ nnọọ ihe si n'obi ahụ pụta. Ndị rapụrụ ka ọnwụnwa ahụ lụpụta ihe dị mkpà ná ndụ ha bụ̀ ndị ahụ nke náañụrị ọñụ ná mkpụrụ niile nke udo nke sitere n'eziomume.

**Ísìsì Nke Sitere N’Okoko Rose Egwepị araegwepị a**

Ọ bụrụ na ị chọrọ ezi ísìsì na okoko rose, gwepịa okoko rose ahụ ísìsì ya gaejupụta ebe niile. Otú a ka ọ dị kwa n’ebe ụmụ Chineke nọ. Were ọnwụnwa, ịhụjuanya, ahụhụ gwepịa ha, mgbe ahụ site ná ndụ ahụ egwepịara egwepịa ka ịdị ụtọ na ịmamma gaesi pụta nke gaewetara ndịọzọ ngọzi. Onyensọ ọ bụla nke asaworo n’Ọbara nke nágidekwara ebili mmiri ahụ wee rue n’ọnụmmiri nke eluigwe gaekele Chineke rue ebighịebi n’ihi ogwèaka ukwuu nke nchebe Ya, wee sị n’oge ahụ, asị kwa na ọ bụghị ugbu a “Uzọ Ya nile kachasi nma.” Ọ dịghị onye gaalaghachiàzụ site n’odudu Ya ma ọ bụrụ na Ọ gaahụ onyinyo nke ebube ahụ nke agaekpughe n’ụbọchị ahụ. Ọtụtụ mmadụ site na ule na ọnwụnwa, agbawawo dịka okoko osisi bụrụ kwa ndị bara óké urù, ọ bụghị ndị náachọ náánị ihe nke aka ha, kama ndị ji ndụ ha, chụọàjà nye Chineke.

**Ụgwọọlụ Nke Hana Natara**

N’ihi na Hana jiri obi ya chụọàjà, otù nne ahu ji obi ya niile jere Chineke ozi, obodo Ndị Israel ñụrịrịọñụ na amamihe na mmụọ nke nduzi nke otù onye nime ndị amụma ahụ kachasị ukwuu. Ọ kụziri nwa ya irubeisi n’ụlọ, na ịtụ egwù Chineke, bụ nke jikere ya ịzá, mgbe Chineke kpọrọ òkù: “Kwue; n’ihi na orù-Gi nānu.”

Chee échìchè ihe ọ gaabụworị nye Ndị Israel ma asị na ọ dịghị onye nyebigara onweya “ibuli oriọna ahu” mgbe Ilai naejikere ịrapụ oriọna nke Chineke ka ọ nyụọ. N’oge ọ bụla Chineke naenwe onye Ọ pụrụ ịtụkwasịobi, onye “ga-eguzo kwa ná ntipu” mgbe ọ dị ka okpukpé nke ndị Kraist naaga ịnyụanyụ. Òlee onye n’ụbọchị nke taa náeji obichụọàjà ịbụ onye kwesịrị ka Chineke tụkwasị ya obi, nke gaejikere onweya iguzo n’oge hour nke mkpà wee sị, “Leem; zigam”? “Ọ bugh n’uzọ ibu-orù n’anya dika ndi nēme otú ọ gātọ madu utọ; kama dika ndi-orù Kraist, nēme ihe Chineke nāchọ site ná nkpuru-obi-unu” (Ndi Efesọs 6:6).

**Ndị Nne Ná Atụ̀ Egwù Chineke Ka Achọrọ Taa**

Ndị nne ná atụ̀ egwù Chineke, dịka Hana ndị anaahụ́ anya taa, bụ̀ ihe anaachọsiike nime ụwa n’oge ndịa dị óké egwù. Enweghị nsọpụrụ n’ebe ike nke nnenanna dị, ná enweghị nsọpụrụ nye iwu niile nke Chineke na mmadụ ewetaworo obodo anyị mmebiiwu nke ụmụntakịrị nke ndị ótù amara nkeọma ndị dị kwa ike ịlụso omume ọjọọ ọ̀gụ̀ náapụghị igbochi. Ụzọ apụrụ iji gbochie nsogbu a bụ̀ ime ka amalite kwa n’èzinaụlọ niile ịtụ̀ egwù Chineke n’ebe agazụpụta ụmụntakịrị n’ụzọ ha kwesịrị ịga.

Lee otú o si bụrụ ihe mnwapụta nke náagba kwa ume ịhụ́ ndụ nke nwanyị ahụ hụrụ Chineke n’anya wee náelezi ụmụ ya anya nkeọma izi ha eziokwu nke Okwu Chineke! Udo na ngọzi nke Eluigwe naadakwasị nne na èzínaụlọ ahụ nke náesoụzọ a. Ịhụn’anya ahụ nke dị nime obi ndị nne naeme ka ha nwee mmetuta banyere ọnọdụ nke èzínaụlọ (Ilu 31:27), wee mee ka ọ lezieanya nkeọma ná ịzụpụta ụmụ ya ka ha bụrụ ndị mara ihe rue nzọpụta (2 Timọti 3:15) náabụghị ndị na emehie megide Chineke (Abù Ọma 119:11).

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Òlee ụdị omume pụtara ìhè nime èzínaụlọ nke Hana?
2. Gịnị ka achọrọ site n’aka Hana ka o wee nwee ike ịnata ihe ahụ nke bụ́ ọchịchọ nke obi ya?
3. Gịnị ka anyị gaeme wee nata ọ̀zịzá ekpere niile nke anyị?
4. Hana ọ gụrụ mkwà ya n’ihe dị óké ọnụahịa nye Chineke?
5. Ọ̀ rapụrụ ka mkwà ya ahụ tee anya tupu ọ kwụghachị ya?
6. Ọ̀ bụ gịnị wetara omume ọjọọ nke ụmụntakịrị naeme?
7. Òlee otú Baịbụl si kwue na nnenanna gaesi zụlite ụmụntakịrị?